# ỌNỌDỤ NGWA NKỤZI IHE ỌKPỤ AKPỤRỤAKPỤ N'ỌMỤMỤ ASỤSỤ NA OMENAALA IGBO N'OGO SINỊỌ SEKỌNDỊRỊ N'OKPURU ỌCHỊCHỊ NSỤKA STETI ENUGU

**Eze, Roseline Ifeoma**
Department of Arts Education
University of Nigeria Nsukka
roseline.eze.ss12303@unn.edu.ng
08064008703

**Ụmi Edemede**
*Nchọcha a lebara anya na ọnọdu ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ n'ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo n'ogo Sịnịọ Sekọndịrịn' okpuru ọchịchị Nsụka na Steti Enugwu. Ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ bụ akọrọngwa ọrụ mabụrụ ihe ndị ahụ ejiri aka rụpụta n'oge gboo, na-enye aka ezipụta ihe omenaala ndị Igbo nakwa ka ndị si ebi ndụ ha n'oge mgbe ochie. Ọbụ ihe nwute naechiche ụmụakwụkwọ adịghịzị n'ebe omenaala agbụrụ nna ha dị nke nwere ike isite n' enweghi ezi mgbazi. Ụfọdụ ndị nkụzi asụsụ Igbo anaghị e ji ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ akụziri ụmụakwụkwọ asụsụ na omenaala Igbo n'okpuru ọchịchị Nsụka na steti Enugu nke mere na nkụzi na ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo na-ala azụ ma na-anwụ anwụ.Ajụjụ nchọcha atọ ka eguzobere maka ọrụ nchọcha a. Usoro nchọcha e ji mee nchọcha a bụ sọvee nkọwa, nke e ji usoro nsere simpụl randọm wepụta ụlọakwụkwọ ise n'ime ụlọakwụkwọ iri atọ na abụọ e nwere n'okpuru ọchịchị Nsụka. Ọnụọgụ ndị nkụzi e ji mee nchọcha a dị iri ise (50). Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a bụ ajụjụ ederede njụmaza n'ọnọdụ ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ n'ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo (ỌNNIỌAỌAOI) dị iri na abụọ (12) n'ọnụọgụ nke ndị ọkammụta abụọ n'asụsụ Igbo na mahadum Naịjịrịa Nsụka nakwa otu onye "Measurement and Evaluation" nyochara ma kwenye na ọ dabara na nchọcha e ji ya eme. E ji ndị nkụzị dị iri (10) mee nnwale ntukwasiobi ngwa nchọcha nke nyere akara ntụkwasịobi 0.78. Nke a gosiri na ngwa nchọcha a nwere ntụkwasịobi. Nchọpụta gosiri na ọkpụrụkpụ ihe na-ebute ndaghachi azụ n'iji ngwa nkụzi ihe ọkpụ akụzi asụsụ na omenaala Igbo bụ maka na gọọmentị anaghị ebute ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ n'ụlọakwukwọ. Ọzọ, ndị nkụzi anaghị eji ngwa nkụzi ihe ọkpụ akụzi asụsụ na omenaala Igbo oge ụfọdụ. Onye nchọcha tụpụtara aro ka gọọmentị malite ibute na ịrụpụta ụlọ ngwa nkuzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ omenaala ndị Igbo maka igosịpụta ihe omenaala ndị a n' ihụ ụmụakwụkwọ.*

**Igodo okwu: ọnọdu, ọkpụ, akpụrụakpụ, nkụzi, asụsụ, omenaala, Sekọndịrị**

## Ntọala

Asụsụ bụ usoro nwere nghọta nye ndị na-asụ ya. Asụsụ bụ ụda mmadụ a hazịrị ahazị nke abụghi ebumpụtaụwa. Eze na Umo (2019) kọwara na asụsụ bụ njirimara mba ọbụla nke na-ewube ntọala ezi mmekọrịta ha. Nke a gosiri na asụsụ bụ ihe na-akwalite mmekọrịta tọrọ atọ n'etiti mmadụ na ibe ya. Asụsụ bụ ụzọ ndị mgbe ochie chepụtara ka mmadụ na ibe ya wee na-ekwurịta okwu, na-agwarịta ibe ha ihe a chọrọ ka ha mata. Asụsụ bụụda a haziri ahazị nke ọma nke e ji amụ mkpụrụokwu nakwa mkpụrụedemede.

Asụsụ na-eme ka ezi mmekọrịta dị n'etiti ọha neze nwe asụsụ ọbụla n'ihi nghọta d ịn'ụdaasụsụ ahụ. Ikechukwu na Ezenagu (2016) kọwara asụsụ dịka onyinye Chukwu n'ebe mmadụ nọ maka na ewepụ asụsụ, o nweghị ihe mmadụ na-eme nwere isi maka na o nweghị onye ga-aghọta ibe ya. Ya mere na ihe niile mmadụ na-eme gbadoro ụkwụ n'asụsụ. Usoro ụda asụsụ ndị a na-abụkarị nke a nabatara maka asụsụ ọbụla a na-asụ. Nwata a mụrụ ọhụụ na-amụta asụsụ site n'ọnụ ndị mụrụ ya na ndị ezinaụlọ ya. Nwata na-ebu ụzọ mụta ige asụsụ e mechaa, o jiri nwayọọ malite ịsụ ya bụ asụsụ nke ọma. Kim na Olfman (2020) kwadoro na asụsụ mbụ nwa ga-amụta dị oke mkpa. Ọmụmụ asụsụ na-enye mmadụ nghọta pụrụ iche gbasara omenaala na ewumewu ndị nwe asụsụ. Nke a hibere isi na iwu mmụta n'ala gọọmenti Naịjịrịa (NPE 2014) iji mejupụta ebumnobi mmụta ịhụ na a na-e ji asụsụ epum nwata kụziere ya ihe na mbido ọmụmụ ihe n'ụlọakwụkwọ ọtaakara. Mgbe afọ atọ gasịrị, amalite iji asụsụ Bekee kuzibere nwata ihe. Ọzọkwa, bụ maka iji kwalite ezi mmekọrịta n'etiti agbụrụ niile e nwere n'ala Naịjịrịa nke gbadoro ụkwụ na nwata ọbụla ga-amụrịrị otu asụsụ n'ime asụsụ atọ pụtakarịrị ihe na mba Naịjịrịa nke gụnyere; Igbo, Awụsa na Yoruba. Nke a gosiri na asụsụ dị oke mkpa na ndụ mmadụ. Asụsụ Igbo bụkwa otu n'ime asụsụ pụtara ihe e ji enwe mkpakọrịta n'ala Naịjịrịa.

Asụsụ Igbo bụ maka ndị Igbo, nke e ji mara ha. Ọ bụ asụsụ ka ndị Igbo ji egosipụta omenaala, agụmagụ, mmekọrịta ha na obodo ndị ọzọ, ekpemekpe nakwa nkwenye ha. Ogbalu (2013) kwenyere na otu ụzọ kacha mma iji chekwaba asụsụ Igbo bụ site n'aka ndị nne na nna,ikụziri ụmụ ha asụsụ Igbo. A bịa n'asụsụ Igbo, e nwere ngalaba anọ mejupụtara ya. Ngalaba anọ ndị a bụ ụtọasụsụ, omenaala, edemede na agụmagụ ma ọrụ a gbadoro ụkwụ n'ọmenaala.

Asụsụ na omenaala dịka nne na nwa. Asụsụ bụ mpaghara omenaala, n'ihi na omenaala bụ okwu dị obosara, okwu metụtara ihe ọbụla mmadụ na-eme, etu e si ebi ndụ, elegara ụwa anya nakwa ihe ndị gbara ya gburugburu.Eze na Umo (2021) kọwara na omenaala pụtara ka ndị ọbụla si ebi ndụ n'agbụrụ ha. Omenaala bụ asụsụ, nkwenye, ebimndụ, emume, na ekpemekpe. Ndị ọbụla nwere omenaala ha maka na ọ bụ omenaala ndị na-edu ha. Mba enweghị omenaala anaghị enwe usoro ndụ. Ndi Igbo nwere omenaala ha dịgasị iche iche dịka: iri ji ọhụụ, ịlụ nwaanyị, ịwa ọjị na ụdị mmemme ndị ọzọ dịgasị iche iche. Ọ bụkwa omenaala ndi Igbo bụ usoro obibi ndụ ha maka na ndụ ha niile gbadoro ụkwụ n'omenaala ha.

Ndị Igbo nwere omenaala e ji mara ha, ma ha na-egosiputa ya n'ụfọdụ akaọrụ nke ha ji akwalite omenaala ha. Nke a pụtarana ndị Igbo abụghi ndị umengwụ. Ha na-arụ ọrụ ma na-akwa nka dị iche iche iji wee kwalite omenaala, ekpemekpe nakwa akụnaụba ha. Ọ bụ ọrụaka ndị ahụ ka ha ji ebi ndụ ha. Ọ bụ eziokwu na ọtụtụ ọrụaka ọgbara ọhụụ dị iche iche abatala n'ala Igbo nakwa n'etiti ndị Igbo, mana tụpụ ọrụ aka ndị ahụ abata, e nwere ọrụaka ndị Igbo ji wee biri. Ụfọdụ ọrụ aka ndị Igbo gụnyere, ọrụ ugbo, ite nkwụ, igba aja, ịtụ ụlọ, ịchụ nta, igbu azụ, ịzụ ahịa, ime dibia, ịkpa ihe ọkpụkpa dịka akwa, ịkwa akpa, ịkpa nkata, ịtụ ihe ọtụtụ na ịkpụ ihe ọkpụkpụ dị ịche ịche nakwa ndị ọzọ.Onye ọrụ ọbụla nwere ngwa ọrụ ya. Onye ọrụ ụbi nwere mma, ọgụ, mbazu, abọ na ekete ịjị mee ka ọrụ ya na-aga nke ọma. N'otu aka ahụ, onye nkụzị nwere ngwa nkụzi o jị akụzi nkụzi ịjị mee ka nkụzi ya ruo ala.

Ngwa nkụzi bụ akọrọngwa ndị ahụ onye nkụzi ji eme ka nkụzi ya gaa nke ọma. Ọ bụ ngwa ọrụ dị iche iche onye nkụzi na-ewebata na nkụzi ya na-eme ka nkọwa ya doo anya ma mee ka ọmụmụ di mfe. E nwere ngwa nkụzi esighị na teknọlọjị, ha bụ ekereụwa dịka ji, ede, ọjị na ndị ọzọ. Ngwa nkụzi na-enye onye nkụzi ohere ịhazị nkụzi ya nke ọma. Ngwa nkụzi bụ ihe niile metụtara isiokwu nke onye nkụzi na-ewebata na nkụzi ya iji mee ka nkụzi ya di ire ma mezukwa mbumnuche ihe ọmụmụ ahụ. Eze na Omeje (2019) gosiri na ngwa ọmụmụ dị ire na-akwalite mmụta ụmụaka ọsọọsọ. Ha kọwara na ezigbo ngwa nkụzi dị ire na-enye aka akpalite mmụọ ụmụakwụkwọ n'ihe ọmụmụ. Ngwa nkụzi na-eme ka ihe ọmụmụ dị mfe, belata oge, oke okwu ma kpalite mmụọ ụmụakwụkwọ elu n'imejupụta ebumnuche ihe ọmụmụ.

Ekere ngwa nkụzị ụzọ abụo nke gụnyere: ngwa nkụzị ọdịnaala na ngwa nkụzị ọlọrọọhụrụ. Ngwa nkụzị ọdịnaala bụ ngwa nkụzi ndị a rụpụtara mgbe ochie ndị nkụzi jị akụzi ihe tupu ndị ọcha ewepụta ngwa nkụzi ọloroọhụrụ. Ha gụnyere ndị a: ngwa eserese, nkọwa ọnụ nkịtị, ngwa sịtere n'ihe nkịtị, ịjị ụgbọojii akụzị ihe, ngwa ihe ọkpụ akpụrụakpụ na ndị ọzọ. Uzochukwu (2012) kwenyere na ngwa nkụzi ọdịnaala ụfodụ dịkwa mkpa n'ọnọdụ agụmagụ akwụkwọ taa n'ihi na isiokwu metụtara ọdịnaala ka ndị nkụzi Igbo jị ya akụzi. Ngwa nkụzi metụtara ihe ọkpụrụakpụ dị iche iche ndị mmadụ ji aka ha wee rụpụta bụ ndị e ji akụzị ihe n'ụlọakwụkwọ dị iche iche.

Ngwa nkụzi ọlọrọọhụụ dịka aha ya sịrị dị bụ ngwa nkụzi nke na-enyere ndị nkụzi aka, ka echiche dị n'isiokwu ihe ọmụmụ ha pụta ma doo ụmụakwụkwọ anya. Ọ bụ ngwa nkụzi ọlọrọọhụrụ n'ihi na ụzọ arụmaọrụ ya niile gbasoro usoro teknọlọjị. Ọmụmaatụ ngwa nkụzi ọloroọhụụ gụnyere; igwe omekammadụ, igwe onyonyo, redio, teepụ rekọda na ndị ọzọ.

Ngwa nkụzị ihe ọkpụ akpụrụakpụ dịka otu n'ime ngwa nkụzi ọdịnaala bụ ngwa ndị ahụ e jịri aka tụpụta maobu kpụpụta, ndị e nwere ike ịjị kụzie ihe nke ga-eme ka ụmụakwụkwọ mụta ihe a na-akụzịrị ha nke ọma. Ngwa nkuzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ bụ ngwa nkuzi ndị ahụ a na-ahụ anya bụ nke e jiri aka rụpụta ndị na-eme ka ụmụakwụkwọ mụta ihe onye nkụzi na-akụzi nke ọma. Nwagbo na Nwosu (2015) na Eze (2019) kọwara na ngwa nkụzi ihe ọkpụakpụrụakpụ na-enye aka ime ka nkụzi na ọmụmụ omenaala Igbo dị mfe ma dịkwa ire. Okoh (2014) kwadoro na ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ dịka akọrọngwa ewepụtara iji mee ka ụmụakwụkwọ nwee mmasị n'ihe onye nkụzi na-akụzi. E nwere ike iji ụdị ihe dị

iche iche wee rụpụta ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ dịka osisi, aja ụrọ, igwe, rọba na ihe ndị ọzọ. E nwekwara ike ịkpụpụta ọtụtụ ihe dị iche iche dịka ite, iko, mma, ogene, ikwe, ngwa ofufe dị ịche ịche dịka ikenga, okpesi, ọfọ na ndị ọzọ.

Ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndị Igbo bara ọtụtụ uru n'ebe ụmụakwụkwọ nọ n'ịkụzi omenaala Igbo. Atụtụ nghọta Skinner (1957) kwadoro na e nwere mgbanwe na nghọta mmadụ site n'ihe ọmụmụ. Kazan na Richardson (2018) kọwarangwa nkuzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ dịka ihe arụrụ arụ: ngwa ọrụ, ngwa ọgụ, akpụrụakpụ dịka ite, ihe akparakpa dịka akwa, ute, akupe, arụsị a tụrụ atụ dịka Ikenga, okpesi, isi mmụọnwụ dị iche iche nke e si na ya amata ka agbụrụ sịrị kwụrụ, mmekọrịta na-adị n'etiti ha nakwa nkwenye na ofufe ha. Ngwa ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndị a na-arụtụ aka na ngwa dị iche iche mba dị iche iche na-arụpụta nke metụtara aka ọrụ ha dịka ọgụ, mma, ihe akparakpa dịka akwa, nkata, ute, chi ofufe dịka Ikenga, okpesi, isi mmụọnwụ dị iche iche nke e nwere ike iji kụzie asụsụ na omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị.

**NkọwaNgwa ihe ọkpụ akpụrụakpụ e nwegasịrịn'ala Igbo**

a. **Ikenga:** Ikenga bụ otu n'ime ihe ọkpụ akpụrụakpụ nke e ji mere chi n'ala Igbo nke ọ bụ naanị nwoke na-enwe. Ikenga bụ osisi apịrịapị nke a na-apịrị nwoke ozugbo a mụrụ ya n'oge gboo. Ikenga a pịrịapị na-eji mma n'aka nri ya ma budokwa isi mmadụ n'aka ekpe ya. Mpi abụọ o nwere na-egosi ịdị ike nke ebule maọbụ ike chi ji aga ọgụ were merie onye iro ya. Mma o ji n'aka nri ya ka o ji asụ ọhịa wee na-akpata akụnaụba. ọ bụrụ na ọ mụtara nwa nwoke, e dobere nwata ahụ ikenga ahụ, ma ọ bụrụ na ọ mụtaghị nwa nwoke, a kpọwa ikenga ahụ ụbọchị a ga-akwa ya.

b. **Ogene:** Nke a na-arụ ọrụ dị iche iche n'omenaala Igbo. Ezemmụọ na-ejikarị ogene akpọku ndị egede na-ahụtara ya ihe o ji aza Ezemmụọ. Ọ bụrụ na mmadụ abịa be dibịa afa ka ọ gbaara ya afa, dibịa ahụ ga-eburu ụzọ chịrịugili wụsa n'ala, werezie ogene kụọ iji kpọkue ndị mmụọ ha na-efe. N'obodo ụfọdụ, ọ bụkwa ogene ka ndịnzisa ozi ji ezi ozi n'obodo. Ọ bụkwa ogene ka e ji ebupụta arụsị n'ezi, iji mee ka ndị mmadụ mara na o ruola oge arụsị ahụ ga-apụta.

ch. **Ịgba:** N'oge gboo nakwa oge ugbu a, ịgba bụ ihe ọkpụ ndị Igbo ji arụ ọrụ pụrụ iche ọkachasị n'oge emume mmụọnwụ. Ejikwa ịgba ezisa ozi n'obodo maka naa kụọ ịgba ndị ọha obodo egee ntị ịmata ihe onye nzisa ozi na- akọwa.

d. **Ite:** Ite bụ ngwa akpụrụakpụ ihe ọkpụ ndị Igbo nke ndị mmadụsị na yaenweta ego n'ọtụtụ obodo n'ala Igbo.Nke a bu maka na e ji ịkpụ ite mara ọtụtụ obodo n'oge gboo. Ite ọdịnaala ndị Igbo na-arụ ọrụ igwe njioyi maka na e ji ya agbanye mmiri ọṅụṅụ n'oge gboo. N'oge ugbu a, ụmụakwụkwọ na-akpụzị ya n' ụlọakwụkwọ iji mụọ ihe.

**Nsogbu Nchọcha**

Maka awamanya na teknọlọjị, echiche ụmụakwụkwọ adịghịzị n'ebe omenaala agbụrụ nna ha dị nke nwere isite n'enweghi ezi mgbazi. Ụfọdụ ndị nkụzi asụsụ Igbo anaghị e ji ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ akụziri ụmụakwụkwọ asụsụ na omenaala Igbo n'okpuru ọchịchị Nsụka na steti Enugwu nke mere na nkụzi na ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo na-ala azụ ma na-anwụ anwụ.Ọ bụ nsogbu a mere onye nchọcha jiri chọọ ịchọpụta ọnọdụ ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndị Igbo n'ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo n'ogo agụmakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Nsụka na steti Enugu. Ihe akpụrụakpụ ndị a nwere ike inye aka ikwalite mmasị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'omenaala nna ha.

**Mbunuche Nchọcha**

Mbunuche nchọcha nke izugbe bụ ịchọpụta ọnọdụ ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndị Igbo n'ọmụmụ asụsụ na ọmenaala Igbo n'ogo Siniọ Sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Nsụka na steti Enugwu.Nchọcha a ga-elebe anya n'ihe ndị a;

1. ịchọpụta ụdị ngwa nkuzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ di iche iche e nwegasiri iji kuzie asụsụ na omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ Siniọ Sekọndiri n'okpuru ọchịchị Nsụka na Steti Enugwu
2. ịchọpụta ka ndị nkụzi asụsụ Igbo si ejidebe ngwa nkuzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndi dị n'ụlọakwụkwọ akụzi asụsụ na omenaala Igbo.

3. ịchọpụta ka ụmụakwụkwọ nd ịe ji ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndi Igbo n’ụlọakwụkwọ Siniọ Sekọndiri si emetadebe nke ọma.

**Ajụjụ Nchọcha**

1. Kedu ụdị ngwa nkụzị ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndị Igbo e nwere ike i ji akụzi asụsụ na omenaala Igbo n’ụlọakwụkwo Sekọndịrị Siniọ?
2. Kedu ka ndi nkụzi asụsụ Igbo si ejidebe ngwa nkụzi ihe ọkpụakpụrụakpụ ndị di n’ụlọakwụkwọ akụzi ihe asụsụ na omenaala Igbo?.
3. Kedu ka ụmụakwụkwọ ndị e ji ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndi Igbo si emetabe nke ọma n’ihe gbasara ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo?

**Usoro Nchọcha**

Ụdi nchọcha e jiri mee nchọcha a bụ sọvee nkọwa. Eze (2022) kọwara sovee nkọwa dika usoro nchọcha e ji akọwa isiokwu e ji n’aka nke na-enye aka ịchọpụta echiche maọbụ omume ndị mmadụ gbasara ihe. A na-eme sọvee site n' iji ajụjụ ọnụ maọbụ ajụjụ ederede. Onye nchọcha gbasoro usoro a iji chọpụta ọnọdụ ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndị Igbo n’ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ dị na Nsuka ọban.

Ebe anọ mee nchọcha a bụ n'ụlọakwụkwọ Siniọ Sekọndịrị gọọmenti dị na Nsụka ọban, steti Enugwu Naịjịrịa. Ndị obodo Nsụka bụ ndị e jị ịzụ ahịa na ọrụ ugbo mara. Ọtụtụ n'ime ha bụ ndị ụka Kraisti, ebe ụfọdụ na-efe chi ọdịnaala. E nwekwara obodo ndị gbara Nsụka agbataobi; Edem, Opi na Ibagwa. Ihe e ji mara obodo ahụ bụkwa ọrụ ugbo na ịzụ ahịa

Ndị eji mee nchọcha a bụ ndị nkụzi dị iri ise(50) n' ọnụọgụ nke onye nchọcha ji ụsoro tumbọm tumbọm wepụta n’ime nd ịnkụzi iri asatọ (80) na-akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ Siniọ Sekọndịrị gọọmenti . Ndemsibia: Post Secondary School Management Board (PSSMB 2024), Nsụka. Onye nchọcha ji usoro nsere simpụl randọm wepụta naanị ụlọakwụkwọ abụọ n'ime ụlọakwụkwọ Siniọ Sekọndịrị gọọmentị.

Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a bụ ajụjụ ederede njụmaza n’ọnọdụ ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ n’ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo (ỌNNIỌAỌAOI) dị iri na abụọ (12) n'ọnụọgụ. O nwere nkeji atọ, nke A, B, na CH. Ajụjụ ndịa bụ nke ndị nkụzi zara ma gosi etụ ha siri kwenye n' isiokwu a bu ọnọdụ ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndị Igbo site n' itinye akara (✓) n' ebe masịrị ha :EI – Ekwesiri m ike - 4 E – Ekwere m – 3A – jụrụ m – 2AI – Ajụsiri m ike – 1 . Onye nchọcha hanyere ngwa nchọcha a n’aka ndị ọkammụta abụọ n'asụsụ Igbo nakwa otu onye measurement na Evaluation site na Mahadum Naịjịrịa, nke ha lebara anya ma kwenye na ọ dabara na nchọcha e ji ya eme. Iji mata ma ngwa nchọcha a tozuru ịrụ ọrụ nchọcha e ji ya eme, a nwalere ya n’isi ndị nkụzi mmadụ iri(10) nọ n’ụlọakwụkwọ Boys High School Orba, esoghị n’ebe nchọcha. E ji usoro Crobach’s Alpha nweta mkpebi nke gosiri ntụkwasịobi n’ogo 0.78. E ji miin na ndinizugbe hazie ihe ọ chọpụtara. Usoro miin nabatara nke ruru 2.50 ma anabataghị ndị nọ n' ogo 2.49 gbada.

**MPỤTARA**

**Ajụjụ Nchọcha nke Mbụ**

**Kedụ ụdị ngwa nkuzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndị Igbo e nwere ike iji na-akụzị asụsụ na omenaala Igbo n’ ụlọakwukwọ Sịnịọ Sekọndịrị n’okpuru ọchịchị Nsụka na Steti Enugwu?**

**Tebụl nke Mbụ:** Ọsịsa Miin na Ndinizugbe maka ụdị ngwa nkuzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndị Igbo e nwere ike iji akụzị asụsụ na omenaala Igbo n’ ụlọakwukwọ Sịnịọ Sekọndịrị n’okpuru ọchịchị Nsụka na Steti Enugwu.

| ỌNỤỌGỤ | NDINA | EI | E | A | AI | MIIN | NDINIZU GBE | MKPEBI |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| **1.** | Ndị nkụzi na-eji ngwa nkụzi ihe ọkpụ e ji igwe kpụpụta dika mma, ọgụ, ngwu, ogene na ndị ọzọ akụziri ụmụakwukwọ asụsụ na omenaala Igbo. | **24** | **24** | **1** | **1** | **3.04** | **.92** | **Ekwere m** |
| **2.** | Ndị nkụzi na-eji ihe ọkpụ apịrịapị dika,osịsị, ọdụ, arụsị-ikenga, okpesi, ịsị mmụọnwu akụzi asụsụ na omenaala Igbo | **28** | **15** | **3** | **4** | **3.04** | **.92** | **Ekwere m** |
| **3.** | Ndị nkụzi na-eji ngwa nkụzi ihe ọkpụ e ji aja ụrọ kpụpụta dika ite, afere na ndị ọzọ a kụzịrị ụmụakwukwọ asụsụ na omenaala ndị Igbo. | **15** | **29** | **5** | **1** | **4.00** | **.00** | **Ekwere m** |
| **4.** | Ndị nkụzi na-ejikọta ngwa nkụzi ihe ọkpụ apịrị apị na nke e ji aja ụrọ kpụpụta a kụzịrị ụmụakwukwọ asụsụ na omenaala Igbo. | **20** | **19** | **9** | **2** | **3.00** | **.90** | **Ekwere m** |

Tebụlụ nke mbụ na-egosi na ndịe jiri mee nchọcha kwenyere na ndị nkụzi na-eji ihe ọkpụ apịrịapị, ndị e ji igwe akpụpụta, ihe ọkpụ e ji ụrọ kpụpụta maọbụ jikọọ ha niile ọnụ maka ikụzi asụsụ na omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ Sịnịọ Sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Nsụka. Miin e nwetara bụ 3.04, 3.04, 4.00, na 3.00 gosiri nke a.

**Ajụjụ Nchọcha Nke Abụọ**
**Kedu ka ndị nkụzi asụsụ Igbo sị ejidebe ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụn'ụlọakwụkwọ akụzi asụsụ na Omenaala Igbo n'okpụrụ ọchịchị Nsụka na Steti Enugwu?**

| ỌNỤỌGỤ | NDINA | EI | E | A | AI | MIIN | NDINIZUGBE | MKPEBI |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 5. | Ndị nkụzi na-eji ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndi Igbo akụzi ihe oge ụfọdụ ma hapụ ya n'oge ụfọdụ n' ịkụzị asụsụ na Omenaala Igbo. | 30 | 15 | 3 | 2 | 2.96 | 1.0 | Ekwere m |
| 6. | Ndị nkụzi na-enwe mmasị iji ngwa nkụz iihe ọkpụ akpụrụakpụ ndị Igbo akụzi asụsụ na omenaala Igbo ụfọdụ oge. | 19 | 20 | 2 | 9 | 2.96 | 1.0 | Ekwere m |
| 7. | Ndị nkụzi na-enwe mmasị iji ngwa nkụzi ihe ọkpụakpụrụakpụndịIgbo ndị e nwere n'ụlọakwụkwọdabara n'isiokwụ, akụzi asụsụ na omenaala Igbo oge ụfọdụ . | 28 | 10 | 8 | 4 | 3.32 | 1.0 | Ekwere m |
| 8. | Ndị nkụzị na-edobe ngwa nkụzị ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndịIgbo n' ebe ụmụakwụkwọ nile na-ahụ ya anya nke ọma ụfọdụ oge. | 26 | 20 | 3 | 1 | 2.92 | 1.2 | Ekwere m |

**Tebụl nke Abụọ:** Ọsịsa Miin na Ndinizugbe, ka ndị nkụzi asụsụ Igbo sị ejidebe ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndị dị n'ụlọakwụkwọ akụzi asụsụ na Omenaala Igbo n'okpụrụ ọchịchị Nsụka na Steti Enugwu.

Na tebulu nke abụọ, bido na ndina nke ise rụo na nke asatọ, zipụtara nnabata ndị nza ajụjụ gbasara ndị nkụzi na-eji ihe ọkpụ akpụrụakpụ akụzi asụsụ na omenaala Igbo oge ụfọdụ ma hapụ ya oge ụfọdụ, 2.96 gosipụtara nke a. Ọzọkwa, ndị nkụzi na-enwe mmasị iji ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ nke dabara n'isiokwu ha na-akụzi akụzi asụsụ na omenaala Igbo nke akara miin 2.96 kọwara. Akara miin 2.92 gosiri na ndị nkụzi na-edebe ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ n'ebe ụmụakwụkwọ niile na-ahụ ya anya mgbe ha na-akụzi asụsụ na omenaala Igbo n'okpuru ọchịchị Nsụka.  Nnabata dabara n'ihi na ha nwechara miin 2.96, 2.96, 3.32 na 2.92 bụ nke rụrụ ogo 2.5.

**Ajụjụ Nchọcha Nke Atọ:**
**Kedu ka ụmụakwụkwọ ndị e ji ngwa nkụzịihe ọkpụ akpụrụakpụ ndịI gbo si emetadebe nke ọma n' ọmụmụ asụsụna omenaala Igbo n'okpụrụ ọchịchị Nsuka na steti Enugwu?**

**Tebụl nke Atọ:** ọsịsa Miin na Ndinizugbe onye nchọcha nwetara n'aka ndị nkụzi, ka ụmụakwụkwọ ndị e ji ngwa nkụzị ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndịI gbo si emetadebe nke ọma n' ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo n'okpụrụọchịchị Nsuka na steti Enugwu.

| ỌNỤỌGỤ | NDINA | EI | E | A | AI | MIIN | NDINIZUGBE | MKPEBI |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| 9. | Ngwa nkụzịi he ọkpụ akpụrụakpụ na-adoghachị ụmụakwụkwọ aka azụ n'ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo. | 25 | 20 | 3 | 2 | 3.28 | 1.0 | Ekwere m |
| 10. | Ngwa nkụzị ihe ọkpụ akpụrụakpụ na-eme ka ụmụakwụkwọ mata omenaala ha ma na-akwanyere ya ugwu dịka o kwesiri. | 40 | 8 | 1 | 1 | 3.64 | .85 | Ekwere m |
| 11. | Ngwa nkụzị ihe ọkpụ akpụrụakpụ anaghi eme ka ụmụakwụkwọ ghara imụta asụsụ na omenaala Igbo ọsọọsọ. | 25 | 20 | 3 | 2 | 3.32 | .85 | Ekwere m |
| 12. | Ngwa nkụzị ihe ọkpụ akpụrụakpụ anaghi eme ka ụmụakwụkwọ ghara itinye uche n'ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo | 30 | 10 | 5 | 5 | 3.16 | 1.0 | Ekwere m |

Tebụlụ nke atọ nke akara miin bụ 3.28 na-egosị na ndị e jịrị mee nchọcha kwenyere na iji ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndịI gbo akụzi asụsụ na omenaala Igbo anaghi adọghachi ụmụakwụkwọ aka azụ n'ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo. Ajụjụ sitere n'akara miin 3.64 nabatakwara na iji ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ na-eme ka ụmụakwụkwọ mụta omenaala. Ozọkwa, miin 3.08 na 3.16 gosịrịna ndị nza ajụjụ nabatara na ejighi ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ akụzi asụsụ na omenaala Igbo na-eme ka ụmụakwụkwọ ghara ịmụta ma na-emekwa ka ụmụakwụkwọ ghara itinye uche n'ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo.

## Nchọpụta

Nchọpụta gbasara ụdị ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndị Igbo e nwere ike iji akụzi asụsụ na omenaala Igbo, gosiri na ndị nkụzi na-eji ihe ọkpụ apịrị apị dịka osisi, ọfụ, arụsị-Ikenga, okpesi, isi mmọnwụ, ngwu, ihe ọkpụ ndị e ji igwe nakwa ụrọ kpụpụta akụzi asụsụ na omenaala Igbo, ndị nkụzi na-eji ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ oge ụfọdụ ma hapụ ya n'oge ụfọdụ n' ikụzi asụsụ na omenaala Igbo, ngwa nkuzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ anaghị adọghachi ụmụakwụkwọ aka azụ n' ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo maka na mgbakọ miin ha gafere 2.5. Nk ea dabara n' echiche Ellis (2016) nke kọwara na-ngwa nkụzị ihe ọkpụ akpụrụakpụ na-abawanye amamihe ụmụakwụkwọ n' ọmụmụ asụsụna omenaala Igbo.

## Mmechi

Ụmụakwụkwọ ndị e jị ngwa nkuzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ kuziere asụsụ na omenaala Igbo na -emeta nke ọma n'ihi na ngwa nkụzi ndị ahụ ha hụrụ n' anya na- eme ka ụmụakwụkwọ mụta ihe nke ọma ma ghara ichefu ihe onye nkụzi kụziri ha echefu.Site n'ụzọ dị etu a, ụmụakwụkwọ ndị e ji ngwa nkuzi ihe ọkpụ kuziere asụsụ na omenaala Igbo na-amụta asụsụ na omenaala Igbo ọsọọsọ karia ụmụakwụkwọ ndị ejighị ngwa nkuzi ihe ọkpụ kụziere.

## Ntunye Uche/Aro

Site na nchọpụta e nwetara, onye nchọcha nyere ntunye uche ndị a

1. Ndị gọọmenti kwesịrị ịrụpụta ụlọ ebe ngwa ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndị Igbo kwesiri ịdị ka a na-echekwaba ya nke ọma.
2. Ndị nkụzi kwesiri imata mkpa ọ dị iji ngwa nkụzị ihe ọkpụ akpụrụakpụ ndị Igbo na akụzị asụsụ na omenaala Igbo.

3. Ọ ga-adị ezi mma ma ọburu na onye ọbụla kpọrọ onwe ya onye nkụzị asụsụ Igbo ga-ewere ngwa nkụzị ọ kachasị ihe ọkpụ akpụrụakpụ dị mma na-akụziri ụmụaka ihe.
4. Ndịnkụzi ga-agba mbọ hụna ngwa nkụzi dịn'ebe ụmụakwụkwọ ga na-ahụ ya anya mgbe ọbụla a na-akụziasụsụIgbo n'ụlọakwụkwọ.

**Nchịkọta Nchọcha**

Nchọcha a gbadoro ukwu n' ọnọdụ ngwa nkụzị ihe ọkpụ akpụrụakpụ n' ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo n' ogo Sịnịọ Sekọndiri n' okpuru ọchịchị Nsukka. Nchọcha a lebara anya n'ịkọwapụta asụsụ, ngwa nkụzi ihe ọkpụ akpụrụakpụ na ntọala nchọcha.  Onye nchọcha kọwapụtara ihe kpalịrị mmụọ ya ileba anya na ya bụ nchọcha, uru nchọcha ga-aba nye ndị nkụzi, ụmụakwụkwọ, ndị nne na nna, gọọmenti na ndị na-ahụ maka kọrịkolum. Nchọpụta gosiri na ndị nkụzi na-eji ihe ọkpụ apịrị apị dịka osisi, ọfụ, arụsị-Ikenga, okpesi, isi mmọnwụ, ngwu, ihe ọkpụ ndị e ji igwe nakwa ụrọ kpụpụta akụzi asụsụ na omenaala Igbo oge ụfọdụ ma hapụ ya n'oge ụfọdụ n' ikụzi asụsụ na omenaala Igbo.

**Nrụaka**


Estrada, C. A. (2016). *Moulded Instructional Materials: TheirRole in Teaching and Learning*. Mindscape: An Interdisciplinary Journal, 2(1), 9-15.

Eze, R.I & Omeje, G.N. (2018*).* Availability of Instructional Materials for teaching and learning in Secondary School in Nsukka Education Zone, Enugu State.*In Ideal Journal of Management, Social Science, Peace and Conflict Studies* (1),68-76.

Eze, R.I & Umo, U.C. (2021) *Ụtọasụsụna Omenaala Igbo Maka Sinịọ Sekọndịrị.* Lagos: ISBN: 978-978-52902-6-4, Merit International Publications.

Eze, R.I. (2022). *Nka Usoro Nchọcha n'Asụsụ Igbo.* Nsukka: ISBN: 978-56751-7-7, Chuka Educational Publishers

Ilechukwu, D.I. & Ezenagụ, C. (2016). 'NdịNtorobịa na Olileanya Asụsụ Igbo' *In Interdisciplinary Journal of Africa & Asian Studies*. Awka: Amaka Dreams Ltd.

Kazan, K., & Richardson, J.W (2018). *Developing an Instrument for Evaluating Online Learning Course Materials.* Online learning, 22 (1), 34-54.

Kim, D.J., na Olfman, L. (2020). *Effective Use of Online Instructional Materials*: conceptual Framework. Educational Technology Research and evelopment 68(1), 211-228.

National Policy on Education (2004), 4th Edition, Government Press Abuja

Nwaigbo, C.F & Nwosu C.A (2015). Effectiveness of Instructional Aids on Students' Academic Achievement in Biology. *Journal of Education and Practice*, 6(28), 11-16.

Okoh, N. (2014). "Igbo Izugbe/ Olundị" *Igbo Amaka* S, O. Agwuna & C.J Anidobe (eds). Onitsha: Veritas Printing

Ogbalụ, U. J. (2013). "Asụsụ" *ọsụsụ, Odide naọgụgụ Igbo.* Obosi: Pacific Publishers.

Skinner, B.F. (1957). *Educational Psychology* (3rded). Engle-Wood Cliffs, N.J. Prentice-Hall Inc.

Uzọchukwu, S. (2012). Nhafe Asụsụna Omenaala NdịIgbo. *Agụmagụ Nke Anọ Maka Ncheta Chief (Dr) F.C. Ogbalụ.* Onitsha: Varsity Publishing.